# Isi Okwu D'ime Ya


| Nkwado Nlempe | Oge Ihu | Akwukwo |
|---|---|---|
| NSOGBU N'OCHICHI<br>**Odida Anyanwu Afrika No Na Ogbunigwe oria Mmikpo**<br>*Ihe Kariri Iri Puku Nmadu ise bu ndi South Afrika na enweta oria mmikpo Kwa onwa* | Otu Nkeji na Tinkom Iri Ano Na ise | 7 |
| **Aguu Echela Afrika Aka Mgba**<br>*Agha, Unwu n'umu nje ihe akuku ubi ekweghi mba Afrika nyeju onwe ya ayoo* | Otu Nkeji na Tinkom Iri Ato na Asa | 4 |
| OBIBI NDU N'AKU N'UBA<br>**Oga n'ihu mmepe obdodo n'ime Afrika**<br>*Ime obodo Afrika na emmepe osiso, karia nke etiti mba uwa* | Tinkom iri abuo na otu | 13 |
| **Ngwa Ahia Afrika Na Ihe Ommeputara**<br>*Afrika di kwa na njikere imeri ndi mba uwa site n'umu ihe ha mmeputara* | Nkeji abuo na tinkom iri ano na asato | 7 |
| MUTA<br>**Nnukwu Oke Ohere N'deba aha n'ulo Akwukwo na etiti Afrika**<br>*Enwene otutu umu nwoke, kariri umu nwanyi na n'deba aha n'ulo akwukwo ni ime mba Afrika* | Tinkom iri ano na isii | 12 |
| USORO AHU IKE<br>**Enwela Ogwu Ohuu na Egbohi nwa ebu na afo N'aka Nne bu oria mmikpo**<br>*Uganda na Amerika emmeputaala ogwu ohuu nyee obi sie ike ebe agburu ohuru mba Afrika no* | Otu Nkeji Tinkom iri ato na abuo | 6 |

OKWU INYOM

**Oke Mmegbu Umu Aka Di Ubara Na Uganda** Otu nkeji na tinkom iri ano na otu 10
*Ahughi onu eji ekwu nmmegbu nke ana emegbu umuntakiri na mba Uganda*

**Otutu Inyom Sudan no Mkporo** Otu Nkeji tinkom iri ise na ato 6
*Ahia mgbere mmaya na aba n'anya na eduba puku nde puku inyom Sudan n'ulo mkporo kwa afo*

## Gburu-Gburu

NCHE-KWA

**Umu Okwu Nche-Kwa-Nnapu Umu Ndu Di Iche Iche** Tinkom iri ato na ano 13
*Aghotughi meere ndi Ogburu oge Ugbua ga eji agbaghara ndi ogburu agba ochie*

**Amuma Nche-Kwa Umu Osimiri Europe Aputala Ihe** Otu nkeji, na tinkom iri na otu. 5
*Otu WWF eweputala amuma agbam onya nche-kwa umu osiniri mba Europe*

**Mba Canada Di Mkpa N'omumu Ihe Ndu** Iri tinkom abuo na isii 14
*Canada bu nkeji iri n'ime oke ohia nile nke mba uwa nwene*

**Nsogbu Mmiri Ndu** Tinkom iri na ano 13
*Otu obodo n'ime obodo ato ga enwe nsogbu uko mmiri ndu n'ime afo iri ise*

ERIMERI

**Uko Mmiri N'ubara Eresi** Nkeji abuo na tinkom iri ato na ano 8
*Uko mmiri ga ebute nsogbu nkoputa eresi, ma otu sayensi no ugbua n'ihe omumu ichoputa etu aga esi jiri obere mmiri akoputa eresi.*

**Zanzibar Amachiela Oku Azu N'odo Nmiri** Otu nkeji na tinkom iri ise 5
*Kepu kepu nnyuto ogwu ahuhu n'ime mmrin ndu emeeala ka ndi mbubata ngwa ahia kwusi ileeba anya n'umu azu egburu n'odo mmrin ogbe mba East Afrika*

OGBE NCHE-KWA
**Naijiria Ekwuputala Ogbe Nleta Ohuru** Iri tinkom ise na otu 4
*Ogbe abuo bu oke ohia umu anu aburula ebe nleeta nke etiti*

**Mba Italy na ebu agha ebe mmebi Gburu-gburu no** Iri tinkom ano na ano 13
*Italy di na njikere ikwusi munye oku na ogbe ihe nleeta ya*

ORU NTA N'UZU
**Enwela Igwe Satellite Nwere Ike Ichoputa Ajoo Iba** Nkeji abuo na tinkom asa 9
*Enweala igwe satellite ga eche kwa umu anumanu n'aka ajoo iba*

**Ndu Oke Ohia Nunu Ma Oge** Iri tinkon ise na itolu 13
*Chi okike eweputala ihe puru iche n'etiti ndu oke ohia na mba Indonesia*

## Ngalaba Umuntakiri

**Odum Na Oke** Nkeji abuo na tinkom ato 10
*Aka nri kwo aka ekpe, aka ekpe akwuo aka nri*

**Gini Ka Usu Ji Efe Na Abali** Otu nkeji na tinkom ise 11
*Usu na-ahu uzo nke oma na-abali*

**Ajoo Omume Oke Bekee Kadima** Nkeji ano na tinkom iri 11
*Choputa ihe agu ji achu nta nani ya ebe oke bekee mene nkuja na awu oso ndu eleeghi anya n'azu*

# Akuko

**Aguu Chere Afrika Aka Mgba** **Otu Nkeji na tinkom iri ato na asa**

Ihe kariri nde mmadu iri n'etiti obodo iri na isii n'ime mba Afrika choro erimeri osiso maka igbanahu aguu. Nkea, putara ihe site n'umu akuko nke si n'aka otu United Nation, na ahu maka oru ubi na erimeri hiwere isi na Rome.

Agha nwanne na nwanne, unwu na nje akuku ubi akpuola nkoputa erimeri afo n'ala n'etiti Saharan Afrika, ebe nari puku ogu Mmadu no na-aguu. Nkea bu okwu FAO na-abali iri na isii onwa asato.

Angola bu ebe aguu ka njoo Nwita Rukandema ji okwa okwu aku n'uba n'ulo oru GAO kowara na agha oge ugbua mere enweghi ike igbata oso enyem aka. Ndi agha UNITA ji uzo oshugbo achu ndi mmadu n'ulo obibi ha, bu ndi anuru na atuwa umu ogbunigwe n'ime obodo. Rukandema mene ka odoo anya na oburu n'udi onodi a adiri gaa – wa onwa abuo nihu, nti ga anu akuko di egwu ma buru kwa ihe anya mmiri.

Rukandema kwuru nani uzo aga eji kwusi nkea bu inye ndi gomenti ha na ndi nike npuru isi n'usoro ochichi okwu udo maka mmepe uzo. Ka odi ugbo elu enweghi ikikere ida n'odu ugbo elu obula n'ihi nkea, enweghi ubara erimeri na umu ogwu eji azoo ndu umu mmadu.

Otutu umu afo Angola tinyere ndi mba ofesi na agbata oso enyem aka inye umu erimeri ma ndi nupu isi n'usoro ochichi chechiri ndia ma gbue ha.

*Africa News On Line.*

**Naijiria Ekwu putala Ogbe Nleta Ohuru** **Iri tinkom ise na otu**

Na-abali ato nke onwa asato, ka Gomenti Naijiria kwuputara Ogbe Okomu nke odida Anyanwu ha na kamuku nke ugwu awusa dika ogbe ihe nleeta anya ohuro onwere n'etiti obodo anyi.

Afo iri na ise gara-aga ka ehiwere okomu wildlife Sanctuary n'ime odia anyanwu Naijiria. O bu ndi otu Nigerian Conservation Foundation (NCF) nke nere aka ndi otu nche nke etiti mba uwa - bu. Worldwide Fund for Nature (WWF) waghidere oru ngo a. Ogbe a di otu nari na iri na aburo sq km bu obosara ala oma maka obibi umu nunu ha na umu anu ndi ozo nke gunyere enyi na enwe ocha.

Nke a bu ihe oma no oga nihu etiti obodo anyi dika Alhaji Lawan Marguba ji okwa Director ulo oru ogbe nche-kwa chi okike etiti n'ala anyi kwuru.

*Paddy Ezeala/WWF*

**Zanzibar Amachiela Oku Azu Odo Mmiri** **Otu Nkeji na tinkom iri ise**

Mba Zanzibar amachiela mbubata azu odo mmiri Victoria, onwa abuo tupu otu Europe amachie mbubata umu azu si ogbe obodo ahu. Nke a bu maka akuko anuru ru na ekwu maka nsi nke enwetara n'odo mmiri a.

Ozi si n'onu minista oru ubi, nkwado umu anumanu tniyere umu chi okike mere ka amata na nkea bu iji chee kwa ndi ahia tinyere ndi njemu nleeaghariri anya ha na aku n'uba Island.
Brigadier General Adam Nwakanjuku Kwuru na ya enweghi ike ikwu ma odo mmiri Victoria o bu nsi na enweghi umu ogwu ahuhu, ma mba Zanzibar agaghi ano chere aka ebukoo umu ine mile nke onye achooghi na be ha.

Machi'a metutere oku azu osimiri Nile nihi oke onu ahia eji ebubata umu azu. Gomenti etinyela ndi oru nyocha n'etiti odu mmiri Island, nile, odu Ugbo elu, ulo oriri n'onunu na ezi oma ahia maka ikechi umu azu na esiwe odo mmiri Victoria ha ne osimiri nile abata. N'ime Izuka gara-aga ka Gomenti Island gwara ndi ulo oriri nile nke nwere azu okpo imebisi ha otu mgbe.

Machi mbubata umu azu ndu ndia si ime obdodo tanzania kenya ya na Uganda diri ire Izuka ato tupu mba Zanzibar amachi ire ahia mmiri onunu akporo "MASAFI" nke emepu tara na Dares Salaam. Goment Island na okowa na oru nyocha nke emere na ulo oru Zanzibar gosiri na mmiri a adighi mma onunu nyere umu mmadu.
*Africa News On Line*

**Amuma Iche-Kwa Osimiri Europe Aputala Ihe** **Otu nkeji na tinkom iri na otu.**

Nnukwu amuma iche-kwa osimiri Europe ga amalite n'ime onwa September 1999. Mbu n'uche akporo "Living Water – Osimiri Ndu" bu mgbasa ozi nke otu Worldwide Fund for Nature (WWF) ga aga zu uwa nile. Ozi a bu ime ka amata uru na oru osimiri chi'okike ma weeputa kwa ihe ogabu amaghi mee ma o bu chikota oburu nsogbu. Ozo kwa ya bu iweputa umu ihe aturu anya ndi oro nkiti na otu di iche iche nwere ike ji nye aka nche kwa umu ihe chi okike a.

Otu WWF ga ezipu akwukwo mgbasa ozi ha nyere ndi otu oru Europe maka nghazi ufodi iwu ha. Aga enwe agbam onya mgbasa ozi' a na mkupru iri abali abuo na otu na mba Brussels n'onwa itolu. Ma etu osila di aga eweputa ihu nkenke akwukwo iri abuo na ngwucha onwa asato a nke isi okwu ya ga bu "Europe's Living Rivers – osimiri ndu Europe" Isi okwu oru.

Isi okwu a ga aburu ndi otu isi ocha, otu etiti, oru ime obodo, ndi nkiti n'ulo mbo, ndi na-atu mgbere ahia mmiri na otu ndi azo di iche iche nwere mmasi itinye uchu ma me kwa ihe ziri ezibu-okwu WWF
*WWF*

**Otutu Inyom Sudan No N'ulo Mkporo** **Otu nkeji na tinkom iri ise na ato**

Ihe kariri inyom iri puku ato no ugbua n'nlo mkporo ugbua n'usoro okpukperechi uka alakuba na mgbago ugwu Sudan, n'ihi ida umu obere iwu di iche iche. Nkea kariri otu percent achikota onu ogugu umu mmadu nke obodo a. Percent iri itolu na ise Inyom a no na ulo mkporoo maka itu mgbere ahia nsipute mma naya na-aba n'anya, ebe otutu ha si odia anyanwu sudan ebe nkea abughi iwu nyere ha. Akuko anyi nwetere na ekwu na ihe kariri okara Inyom a ka ana ekechighariri ma tuba n'ulo mkporo ma atoghepu ha.

Akuru igwe insipute mmanya ha ka ana etinye n'nsoro azuma ahia oha na eze nke ndi mmadu na azuru. Inyom ndia na-ahapu ulo mkporo ma laghachi azu izuru ngwa igwe oru nsipute mmanya ma malite kwa oku ha. Enwere ike ikechi nwanyi, kpe ya ikpe ma tuo ya mkporo n'ime awa iri ana na asato, ebe ekechiri ngwa oru ya ma resia ya mgbe-ufodi ana ekechi ha, na enweghi onye ikpe izara ha onu ha. Ntarama ahuhu ha gunuere, iti utari, ida iwu ego, ha na itu ha mkporo ope kata mpe okariri onwa isii.

Otutu ndi nne a di ime ma o bu kuru nwa n'aka. Ana amu umu aka otu nari kwa afo ni ime otu ulo mkporo, ebe ufodi nwere umu ntakiri kariri nari abuo ha na nne ha n'ulo mkporo. Obu ezi okwu na enwere ike ikwu, n'ulo mkporo Sudan bu otu kachasi mma n'etiti Afrika ma ana akpo oku ka enwe mgbanwoe obi banyere etu esi emeghide inyom si odia anyanwu na mgbago uguwu n'ihi omenala ahia mmanya na aba n'anya.

*Newslink Africa*

**Enwela Ogwu Ohuu na Ecbochi Nwa no N'afo**
**N'aka Nne bu Oria Mmikpo** **Otu nkeji tinkom iri ato na abuo**

Enweala ogwu ohuru di ire, nche kwa nwa ebu n'afo tumadi nke nne ya bu nje oria na ebute oria mmikpo nkea bu nchoputa ndi otu mba Uganda ya na United States weeputara odi nso a na Kampala ha na Washington.

Afo abuo ajiri ugwu a ruo oru, nchoputa ha gosiri mgbochi njem nje oria ka agbara otu mgba ogwu a akporo Nevirapine (NVP) na ahu nne bu nje oria, ime na eme ha na otu mgba ozo ka nwa ohuru amuru di abali ato amuru ya. Nje a beletar okara iji wee tunyere ogwu AZT ana enye bu na mbu bu nke onu ahia ji okpu-kpu asa wee karia, dika ndi otu oru United States na ahu maka odi mma umu mmadu siri kwue.

Nchoputa ihe omimi a, na egosi olike anya oganihu enwere n'etiti uwa nile iji we gbochie mgbasa ubara nje oria mmikpo nyere ndi nne bu oria n'aka nwa ha bu na ajo. Nkea bu okwu onu dibia bekee Anthony S. Fauci kwuru kwadoro ihe omimi nchoputa a ma jiri okwa n'ulo National Institute of Allergy and Infectious Diseases.

Ebu kwara udi akuko oma na Kampala. Nchoputa a nwene olike anya na ntukwasi obi iche-kwa otutu umu agburu ohuu nke mba Afrika inwu onwu banyere oria mmikpo a. Nkea bu okwu onye Minista usoro ahu ike na Uganda bu Crispus Kiyonga Kwuru.

*Newslink Africa*

## Ihe Ejiri Mara

**Odida Anyanwu Mba Afrika no na Elu Ogbuigwe**

**Oria Mmikpo** **Otu nkeji na tinkom iri ano na ise**

Oria mmikpo na abawa nye ubara n'etiti odia anyanwu Afrika na agbenyegi umu ozi nke Gomenti, otu ndi nkiti di iche iche tinyere ozi oma ime obodo na ebusa maka ndi mmadu ikpachapu anya nihi oria zuru uwa dum.

Akwukwo nchikota oru nke odi nso a, na egosi mba Bostwana, Namibia, Swaziland, bu obodo oka di ubara n'etiti odida anyanwu Afrika. Ihe kariri uzo ano n'ime onu ozuzu oha na eze obodo ndia bu nje oria mmikpo a. Ebe ano n'ime ndia sitere na afo iri na ise wee rue iri ano n'itolu. Ka oria mmikpo a ji. Dika akwukwo mbiputa ogugu na Mba South Afrika akporo TIME siri kowa, eleere anya nje oria mmikpo a iru iri percent aburo nyere ndi di ume iru oru n'ime afo ozo. N'ime afo ato odi n'ihu onwu mmadu nke onia a ga egbu ga di nari puku aburo na iri ise tinyere nari puku isii umu aka ndi nke na enweghi nne na nna. Aturu anya oria a ibelata ndu ndi mmadu na afo iri abuo, ebe nkea ga ebudata mbuli elu nke okwu aku n'uba n'onu percent abuo. Ogbu nu oria a nwere nnukwu aka ebe okwu aku n uba no, ogwula ma atuputara umu amuma n'umu iwu maka iji waghide oru na mbo. Nkea bu amam okwa ndi otu UNDP bayere odi mma mmadu ime ajo 1998 kwuru.

Akuko nke onye minista usoro ahu ike Mba South Afrika bu Nkosazana Zuma Kwuru, omere ka ooo anya na obodo ya ji oso enwe ubara ndi mmadu bu nje oria mmikpo a, nchoputa ya gosiri na iri puku mmadu ise na enweta nje oria kwa onwa. Nkea ka okwu adighi nma ma otu. Ozipuru okwa nyere ndi ala ya nile ibuso agha ebe oria mmikpo a no, nihi na obu oria zuru oke uwa dum.

*Newslink Africa*

**Ngwa-Ahia Afrika Ejuputala Ebe Nile** **Nkeji abuo na tinkom eri ano na asato**

Ka usoro ochichi onye kwu uche ya na ewere onodi n'etiti Afrika, ndi oji ego achu nta oku ego amaliteela inwe mmasi ebe umu ngwa ahia otu nkeji nke uwa no. Na-abali abuo n'ime onwa iri na mba Senegal Dakar, ka mba Afrika ga emme ohere ikwado onodi nnabata ndi uwa oji ego achu nta oku. Nke a gunyere ndi otu Minista n-ahu maka nchikota si mba Europe, ndi isi otu si mba uwa tinyere ndi isi obodo, ulo oru mbo na Minista Okwu Ego

Akuko si Neslink oke Afrika na ekwu na ndi obia ga esi mba Europe gunyere Nwada Clare Short, ji okwa ode akwukwu nke nta nyere ulo oru nkwado mmepe uwa, na Mazi Poul Nielson Minista Mkpoko na mmepe. Ndi ozo bu Mazi Kenzo Oshima ji okwa Director okwu aku n'uba na Japan na nwada Hilde F. Johnson bu Minista otu nwere onwe na mmepe na mba Norway.

Nwa-ada Evelyn Herfkens bu Minista mmepe na mkpoko na mba Netherlands ga esonye kwa, ha na ndi isi oru si mba France, Germany, Finland ya na Italy.

Otu kwadoro nnukwu ogbako nzuko a gunyene United Nations Industrial Development Organization (UNIDO) Alliance for Africa's Industrialization (AAI) the economic Commission for Africa (ECA) the African Development Bank (ADB) tinyere Organization of African Unity (OAU). Umu ububo nke aga akpa gunyene mmepe ulo oru mbo n'etiti mba uwa, nkeji chi uwa, nlugharita okwu aku n'uba njikota aka mba Europe ya na Afrika ha na mbuli elu onodi ndi nkiti. Usoro aga eji kwado kwa umu obere ulo oru mbo ga eselita kwa isi n'ububo a.

Onodi nzuko a n'ime onwa iri sitere na mkpebi nke otu jikoro mba Afrika nile kpebiri na Harare n'onwa isii nke afo 1997. Ha gwara onye nnukwu ode akwukwo ha, inwe ezi ntuko uche ha na nnukwu ode akwukwo otu United Nations na'hu maka ulo oru mbo tinyere otu okwu aku n'nbu ikpa ububo etu aga esi hu ndi otu enyem aka nkwado onu ego banyere Afrika maka nkwado odi mma amuma mmepe etiti Afrika.

Ndi na akwado nzuko a nwere olile anya na nwulite ulo oru mbo aga osiso n'etiti obodo ndi Afrika ma nye kwa aka oga n'ihu nkeji uwa tinyere etiti mba uwa. Njikota oru nka di nnukwu mkpa tumadi ebe ndi oru nkiti no n'etiti obodo ndia. Nkea ga enye aka nkawdo oru nka siri ike n'aka ndi nkiti welitere isi n'ulo oru mbo nwere ike ijikota aka ha na ndi ogbo ya si mba ndi ni etiti uwa inne ezi udo mmekorita ahu.
*Newslink Africa*

**Uko Mmiri na Ubara Eresi** **Nkeji abuo na tinkom iri ato na ano**

Amuma nchoputa uzo aga esi koputa amo ubara eresi, na ejighi oke mmiri na amita ezi mkpuru. Nkea enyela nkoputa eresi ohuu. Nkoputa eresi ohuu a nwere otutu aha gosiri agburu oma ya ma nwe kwa ike nche-kwa, sitere n'aka oru ndi otu bu akwa-akwuru banyere nyocha oru ubi nke akproo Consultative Group on International Agricultural Research (CGIAR) bu maka ibelata oke mmiri eji ako eresi.

Isi usoro nkoputa eresi a, bu mbelata oke mmiri kwa otu obosara hectare. Ndi otu akwa-akwuru n'oru ubi a ekwueghi etu esi emme nkea. Ma onye isi oche otu CGIAR ha na osoje onye isi oche ulo oba ego nke uwa n'usoro amuma di iche iche bu Ismail Serageldin kwuru na ona ewe ugboro mmiri uzo abuo iji koputa eresi nyere umu akuku ubi udi otu a, ebe ona ewe ton mmiri puku abuo iji wee zoo otu ton eresi. Nkea ga adi ojoo ma uko mmiri dir gawa n'ihu ebe otutu ndi mmadu choro erimeri eresi.

Emeala ka anyi mata na-ihe kariri okara onu ogugu nke uwa nwere nche kwube ebe eresi no n'ime iri afo ato. Ma etu ih siri kwuru nsogbu ji odida na mgbago ugwu nke ala anyi by Naijiria bu nsogbu owa idie mmiri na mmepe obodo oru aka ohuru a nwere ike ntu teghari nkoputa erimeri eresi. Dika etu umu obasara ala eji akoo eresi si enye efee nyere mmepe obodo, unwu ala, nsogbu a ga abawanye mgbe odi n'uhu nkea bu okwu Ronald Cantrell ji okwa Director General ulo oru ime nyocha nkoputa eresi, bu ngalaba CGIAR no na Philippines.

Usoro oru aka ohuru a nwere iko ikwua okwu aku nuba ufodi obodo ndi na etoolite-etoolite na etiti mba uwa. Otutu obodo ndi nkee na akoputa eresi bu ndi nnukwu ulo oba ego nke etiti mba uwa were dika ndi ugwo onwa okwu aku n'uba ba pere mpe. Mba Asia nwere iri na asa ni'me iri abo na ise na akoputa eresi. Iri percent itolu obosuna ala by maka ikoo eresi nke bu kwa iri percent itolu erimeri eresi ana eri n'etiti mba uwa. Na ezi okwu n'ime obosara ala ha nwere ato ni'ime ya bu maka ikoo ugbo eresi na mba Asia

*CGIAR*

**Ennela Igwe Satellite Nwere Ike Nchoputa Ajoo Iba Nkeji abuo na tinkom asa**

Enweta nje oria Iba Rift Valley na ekpochapu igwe umu ehi na mba owuwa anyawu Afrika, bu nke na adighi mma ebe oha na eze no. Oru nchoputa gosiri na nje ori iba nwere oge. Enwere ike ime nchope uta oge nje oria n'ime onwa isii tupu okpawa ike, site na iji igwe chi Satellite ma mebie ahuhu na ebuwa oria.

Nkea bu aka oru ndi otu oru ihe omimi akporo NASA's Goddard Space Flight Centre na ngalaba Defencse Global Disease infections System na Walter Reed Army substitute of Research di na Washington D.C. USA.

Ndi otu ime nchoputa choputara n'oria ana ese na oge nnukwu mmiri uzuzo n'etiti ubara owuwa anyanwu Afrika. Ihe omimi ha gosiri na iri afo ise ha chikotara usoro chi na ogwula nani ugboro abuo ka oria selitere n'ime afo iri na-asa dakoro na oge nnukwu mmiri ozuzo. Nje umu oria kpochapuru ka oselitere elu.

Nchoputa ndi ozo gosiri na anwuta Aedes na ebuwe nje oria na-akwa ya bu nke ona enye fee na ebe di mmiri ka ide mmiri baghachiri azu. Umu anwuta na okpa nri ebe ahu. Uzoro a ka eji enwe culex anwuta. Anwuta Culex a na ebuiwe oria ma okpacha nri na ebe di otua. Ebe idi ndu ha na bu kariri oge nnukwu mmiri ozuzo. Ndi nchoputa ihe omimu na eme ka anyi mata na igwe Satellite nwere ikikere nehoputa Iba Rift Valley onwa isii tupu obido toowe.

Ihe bu obi uto igwe Satellite a bu na ona agba ama na oge eji ejide Iba Rift Valley ha na ogbe ebe ono dika Compton Tucker siri kwue. Nwa amadi a muru ihe banyere ndu na Goddard, enwela igwe Satellite wee nmwo ihe gbasatara oke ohia n'ime Afrika na ihe kariri iri afo abuo.

*Environmental News Network*

**Oke Mmegbu Umu Aka Di'Ubara Na Uganda** **Otu nkeji na tinkom iri ano na otu**

Umu aka Uganda, na anara oke iti ihe, manye inwe mmeko, oke ntarama-ahuhu nke na esiwe n'aka nne na nna, tinyere ndi obia na anya ike ma onweghi nleeba anya n'ime ya ma otu. Nkea bu etu akwukwo mbiputa nke akporo monitor nke onwa asa usoro iri na ato siri deeputa na gbaa kwa ubochi na mba Uganda.

Akwukwo a na ekwu n'ufodi umu aka ka ana eti ihe nke onwu n'ulo ha, ha n'ulo akwukwo. Ufodi ka ndi nne na nna odi osiso iga oru na egbu ma obu me mo ahu nihi abere ashinma o bu enweghi ike ichota elekere mgba aka na oge. Otu uzo esi ata umu aka ahuhu bu ike haeriri, wene okporo unere ma o bu akwukwo kechie ha ma munye oku dika akwukwo a siri kwue.

Akwukwo monitor katoro oke mmanye inwe mmeko aghara-aghara nke eji emeghide umuntakiri tumadi umu nwa nwanyi di afo ato. Nso nso a, ka Gomenti Uganda bulibi afo nwata kwesin' inabata ububo mmeko site n'afo iri na ano wee ruo afo iri na asato nyere ndi nwanyi. Otutu umu afo Uganda nwere omiko na enwe nwute ebe udi ajoo agwa, ma na kpoku isi ochichi mba Uganda iche-kwa mmegbu nke ana emegbu umu ha ndi nke nwanyi.

Otu nsogbu nke mmeghide umuntakiri a nwere bu na ahu-beghi ya bu mmegbide dika nsogbu metutere oha na eze ndi mba Uganda. Akwukwo monitor a oleere okwu okiri na eso akuko kwuru na ewepu otu omepuru nye ona ara ahu, na Gomenti etiyebeghi ego maka ime nyocha, ma o bu kwado ogbako nzuko nke ga tinye onu ma tuputa ezi amuma nke oga eji gboo nsogbu.
*Africa News On Line*

## Ngbalaba Umu Aka

**Odum Na Oke** **Nkeji abuo na tinkom ato**

Ewere Odom dika eze umu anumanu make osiri ike ma nwe kwa ike inye "ezi ozuzu" nyere anu obula site na udi ike osiri. N'ihi nkea, umu anumanu nwere nsopuru, ebe odom no, ha na eme ihe obula iji ghara ikpasu ya iwe. Anu obula na agba nbo ino na ezi akwukwo odom maka ibu ezi enyi ya ha na inara ngozi.

Otu ubochi odom no na arahu ura mgbe nwa oke si na imi ya gbe-fee. N'iwe na ncha- keete, wee keechi nwa oke ma choo ka otoogbue ya, ma oke rioro ya ariro "Biko Egbula mu. Maka echi ma otu ubochi enwere ni ike izoo ndu eze umu anumanu. Ochi tooro odom, oweee chee n'ime muo ya "nwa" oke izoo ndu m eze umu anomanu ma sikaria umu anu ndi ozoo n'ike.

Ma etu osila di, odom toogepuru ma chie okwa ka oghera inye kwa ya nsogbu mgbe ozo. Nwa oke keele kwara ya ma jiri oso gbaala ulo ya.

Mgbe nkea gaa-chaara, Odom no na akpaghariri n'ime ohia mgbe odabara n'onya di nta kwere. Mgbe otiri mkpu enyem aka, umu anumanu ndi ozo nuru ya ma leeghara anya, nihi na ha turu egwu na onwere ike iri ha ma ha tooghepu ya. Ma nwa oke nuru mkpu akwa odom ma cheeta kwa na odom zooro ndu ya, nihi nkea onyere aka itoogepu ya nihi ihe oma nke odom gosiri ya.

Mgbe oke rutere nso ebe onya di nta jidere odom no o wee hu na eji owu siri ike aturu-atu we jide ya, o malitere iji eze ya wee tansia ya by owu, wee gbue nnukwu ohere buru-ibu nyere odom ohere iputa.
Ka oteghepuru odom, oke wee kwue mgbe izoro ndum ichiri ochi mgbe m iroro gi ma kwue na m nwere ike izoo ndu eze umu anumanu

Nkea mere ejiri kwue na aka nri kwao aka ekpe, aka ekpe akwoo aka nri ha abuo wee di ocha

*Character Moulding Stories for Better Citizenship.*

**Kedu Ihe Usu Ji Efee Na Abali** **Otu nkeji na tinkom ise**

Usu bu anu abali na enweghi azuzo nke onwe ya. Abali bu oge izee ndu ha. Nnukwu onye iro ha bu nunu na ebu usu na amalite ichu nta ya mgbe usu hapuru ogba ma o bu osisi. Ufodi ndi Agburu na oriwe umu anu abali dika urukurububa. Usu ndi ozo na eri mkpuru osisi na-abali bu mgbe anya anaghi ahu ha. N'ihi nkea usu na efeewa mgbe abali iku erimeri ha na izoo ndu ha.

M'ime umu anumanu nile enwere n'uwa ogwula nani usu nwere ike mfeeghari. Nku ha bu akpukpa ahu nke sitere na mkpisi wee rue okpukpu, aka, nkea meetutere ahu na ukwu azu ya. Ufodi na eche wa na usu kpuru isi. Nkea abughi ezi. Okwu usu nile nwere anya ma na ahu kwa uzo nke oma mgbe abali.

*Chongololo*

**Ihe Ida Ujoo Na Mebi Iwu Nke Kadima Oke Bekee** **Nkeji ano na tinkom iri**

Otu ubochi agburu Hambakush nke odida anyanwyu Afrika Kadima oke bekee nwere chikorita ha na Nthoo bu Agu. Na ozi ekeele ichie kwa umu agu ato mgbe opuru apu ichu nta, enyere Kadima umu anu ogburu maka nri abali.

Nkwekorita gara no oke oma wee rue mgbe unwu batara ala ha. Agu curu nta ichoo mmiri na ogbe ma ihe siere agu ike tinyere umu ya na Kadima. Ka ubochi na aga onweghi erimeri oke Nthoo gbutere umu ya, aguu wue na ayu ha anya.

Ma otu ubochi Nthoo loobatara hu Kadima ka o na eri nri, ojuru ya etu osiri nweta erimeri nke ona eri, ebe ya bu ezi di nta enweghi ihe oga eri, ma Kadima zara ya si na onwere nawa obere anu gba feere nke ya'buru, ma ezi okwu bu na Kadima na eri nwa agu.

Echi ya Nthoo pu-kwara ichu nta, onye ojoo Kadima gbu-kwara nwa agu ozo wee rie. Mgbe agu loobatara na onweghi ihe ojidere na nta, okporo Kadima chi tara ya umu ya, ka onye ha nri. Kadima onye aghugho kutere ya otu nwa ya ugboro ato bu nke mere ojiri chee n'umu ya zuru oke ma di kwa ndu.

N'ututu echi ya megbe Nthoo puru ichu nta, Kadima gburu otu nwa Agu foronu ma rie. Na iji kpuchue aru nke okpara, owere odu anu doobe n'onu na opupu ogbe ma gwue ala, gbajiri umu ngalaba osisi ji wee mee ka enwere nnukwu ogu aluru ebe ahu. Ogbada-kwara n'olulu mmiri koro ma turuo onwe ya na aja upa. Mgbe ohuru na Nthoo aloobataala, ojere ka onye mmanya na egbu jee kwuru ya na ebe akwa agwa ya na ndi mmadu bia gbu umu ya buru iji mee nri. Na ya gbairi ichee kwa ha ma di nta churu ya oso ebe onwu ya di nso gosiri ya umu obara no na aji ya.

Nthoo beere akwa ariri ma jiri iwe jeewe ime obodo no ya nso maka ibuso ogha ndi gbru umu ya. Ma mgbe agu a choro iwu kwasi n'ahu umu nwoke no na ama, otu olu tiri mkpu nelu osisi "Nthoo" nkea bu nwa nunu ogba ama oke ohia. Otiri mkpu na oke olu ozo. Kadima bu onye ojoo obu ya riri umu gi obughi ndi obodo.

Nthoo chigariri azu n'iwe icho Kadima, ma Kadima nuru oku nwa nunu a wee jiri oso gbafue. Agu ejideghi Kadima oke bekee ma ndi Hambakush ka no achorisi ya n'ihi nkea ka agu jiri achu nta nani. Nke a mee kwara oke bekee ji awu oso mgbe o bula ozutere agu an ibide.

*When Hippo Was Hairy*

## Umu Akuko Di' Mkpa

**Ibu Oke Ndeba Aha N'ulo Akwukwo N'ime Mba Afrika** **Iri timkom ano na isi**

Umu nwoke di otutu na edeba aha n'nlo akwukwo secondiri primariri karia ndi nwanyi n'etitu obodo Afrika. Oke ya gosiri umu nwoke abuo nyere otu nwanyi n'ime obodo iri na otu nke gunyere Naijiria, Ghana, Cote d'Ivoire, Republic of Benin ha na Democratic Republic of Congo. Nkea sitere na nchikota akwukwo oru nke otu United National weeputara.

Obodo iri na asato gosiri nghanta-nghan nke gunyere Egypt, Zimbabwe, Uganda, Ethopia, Cameroon ya na Algeria. Obodo asa egosighi ihe di iche, ebe mba South Afrika ya na Lesotho gosiri ihe di iche nke gosiri onu ogu umu nwanyi ikari umu nwoke deebara aha n'nlo akwukowo primariri na secondirin

*United Nations*

**Nsogbu Mmiri Ndu** **Timkom Iri na ano**

Enwere obodo Iri ato na otu n'etiti mba uwa nwere uko minrin n'ime afo 2025 eleere anya onu ogugu obodo ndia iru iri ano na asato ma iru ni isi mmiri ya bu obodo iri ise na ise n'ime afo 2050

*CGIAR*

**Iwu Banyere Mebi the Esiela Ike na Mba Italy** **Tinkom iri awo na amo**

Site n umu oku ogbugba nke ana enweta wa kwa ubochi n'etiti ihe nleeta nke etiti. Italy etinyela onu ego di. Iri puku USD isii nyere onye obula nke enwetara. Aga enye onye nke amara ikpe onu ego a. Ozi esi Italy na ekwu na ndi oke na etinye oku a na emebi otu ihe tumadi na umu oke ohia nke Italy.

Ihe kariri oku ogbugba iri abuo na asato ka ana enweta kwa ubochi tumadi na oge okochi n'ime afe ise gara aga, obosara ala nke oku kpochapuru di Iri Nari Puku ise na iri ano hectares dika WWF siri kwue, ebe otutu n'ime ha bu oku ogbugba

*WWF*

**Mmempe Obodo ji Nwayo Aga N'ihu N'ime Afrika** **Tinkom iri abuo na otu**

Otutu ndi mmadu n'ahapu, ime obodo ewere ebe obibi na obodo ndi mmepere-emmepe n'ime Afrika karia ufodi obodo ndi ozo n'etiti mba uwa. N'ime afo 1995 na afo 2025 onu ogugu obodo mmepere-emmepe ga di ubara okpu-kpu abuo n'etiti mba uwa. Mana ime Afrika onu Ogugu ya ga di okpu kpu ato n'ime afo enyere

*Boiling Point.*

**Nunu Ma Oge** **Tinkom iri ise na itolu**

I nula maka nunu na agwa gi oge? Na obodo Indonesia, nyocha ihe omiri na egosi omume ufodi nunu akporo Pitta *Erythrogaster* bu ihe di mma. Nchoputa ha gosiri na nunu udia na acha obara nwere uzo ha si ekwu oge kwa ubochi. Na ehihie nunu na ano nala agu egwu ututu. Anwu na awalite o na arigoro osisi wee rue mgbe okuru eleekere iri na abuo ehihie. Mgbe anwu dawawa, o malite iridata na ngalaba osisi na otu na otu tutu orue ala bu ebe nta kpu dika anuru siri daa ka okru eleekere isii uhuruchi, Ogwughi, Inwere ike ikwu na mmiri ga ezoo ma buru na nunu a anoro n'ala ubochi nile.

*WWF*

**Umu Okwu Nche-Kwa – Ndapu Umu Ndu Di Iche Iche** **Tinkom iri ato na amo**

Umu ihe ndi bu ihe nwere ike imee abughi nani oghere ikikere, mkputoo aku n'aba, agha ogbuigwe ma o bu agha onwu mmadu, na agbaygi nmu ihe aghon ndia, enwere olile onya ihe ndia ilooghachi azu site na ndu din na ndu . Ma otu ihe aghom oke malitene iche aka mgba ka angbe ime afo 1980 bu nke ga ewe nde afo iji ruzie bu mkpochapu agburu n'umu ihe oke chi hiwere nkea bu otu ihe umu anyi agahi echefu ma o bu gbagbara anyi .

*Edward O. Wilson*

**Mba Canada Di Mkpa N'omumu Ihe Ndu** **Tinkom iri abuo na isii**

Mba Canada bu oke ohia di iri percent nyere ubara obosara ala nari nde ano na asato hectares na etiti mba uwa, nkea chuwara okara obodo a. Oke ohia a bu iri percent abuo mmiri ndu nke etiti mba uwa, ma che kwa umu anu di otu nari na iri ano anu ohia di iche iche. Obodo a kachasi na-ahia mgbere nzipu unu ihe oke ohia tumadi osisi eji aru ulo n'umu ihe nihe ozo

*WWF*

ACRONYMS

| | | |
|---|---|---|
| AAI | - | Njiko aka nke otu mba Afrika gbasatara ulo oru mbo |
| ADB | - | Ulo oba ego nkwado Afrika |
| AIDS | - | Oria Mmikpo |
| CGIAR | - | Otu Mkpotunu ihe omimi oru ubi |
| ECA | - | Otu okwu aku n'uba nke Afrika |
| FAO | - | Otu Oru Ubo na Erimeri |
| HIV | - | Nje oria mmikpo |
| NCF | - | Otu Nche-kwa Chi Okike na Naijiria |
| NGO | - | Otu na Enweghi Aka Usoro Gomenti |
| OAU | - | Otu Jikoro Mba Afrika Nile |
| UN | - | Otu United Nations |
| UNDP | - | Otu Nkwado Amuma United Nations |
| UNIDO | - | Otu Nkwado Ulo Oru Mbo Nke United Nations |
| UNITA | - | Otu Nwere Onwe Nke Mba Angola |
| WWF | - | Otu Nkwado Nche |